*“Unu gāchọsikwam ike, we chọtam,
mḇe unu ji obi nile unu achọm.”*

# UZỌ ESI AMARA CHINEKE

# UZỌ ESI AMARA CHINEKE

**Dika Abraham bu "enyi nke Chineke" site na iweda onwe ya ala n'irubere Chineke isi, gi onwe gi pukwara ibia mara Chineke na ihuta amara, udo, na ngọzi Ya. Imara Chineke site n'ezi mweda nke onwe n'ala nye Ya na ntukwasi obi bu ihe di mkpa karisia ihe nile na ndu madu. Lee ka osi di ebube na Chineke n'ekpughe Onwe-Ya nye ndi nile nke n'eji obi ha n'ile chọ Ya.**

**Ọburu n'ichi-gharia site n'ije ije n'uzo nke aka gi n'iwedata onwe gi ala n'ezi okwu nye Chineke, Mọ Ya g'ebinyere gi. Odigh ihe nwere ike ikewapu gi n'ihunanya Ya dika i natukwasi obi n'ọtutu nkwa Ya, n'e-sokwa Ya na nrube isi. Ọgaburu gi Chi, igabukwara Ya ihe nkuta nke O'nwere. Igachọputa na Ọzutara gi n'ọnu ahia di uku, na Ọ'chọrọ ka gi na Ya n'enwe mmekọrita ugbua na mgbe-ebigh ebi.**

**Riọ Chineke ka onye gi nghọta dika inamu ihe edre n'ibe akwukwọ ndia nke edeputara ihe ufọdu di mkpa nke si n'okwu Chineke.**

---

Okwu-Chineke nke juputara n'ime akwukwọ-nta a sitere na Akwukwọ Nsọ: Iwu (Torah), Abu Ọma (Zabur), Ihe ndi Amuma dere, na Ozi Ọma (Injil).

Jehova, bú Chineke-ayi, Jehova bu otù: i gēwere kwa obigi nile, were kwa nkpuru-obi-gi nile, were kwa ike-gi nile, hu Jehova, bú Chineke-gi, n'anya.
—Deuteronomi 6.4b, 5

N'ihi na otú a ka Jehova Nke kèworo elu-igwe siri; Ya onwe-ya bu Chineke: Onye kpuworo uwa, me ya; Ya onwe-ya mere ka o guzosie ike, ọ bugh ihe tọbọrọ n'efu ka Ọ kère ya, ọ bu ka ewe biri nime ya ka Ọ kpuru ya: Mu onwem bu Jehova; ọ digh kwa Chineke ọzọ di.
—Aisaia 45.18

Ka ndi nile nke uwa we mara na Jehova, Ya onwe-ya bu Chineke; onye ọzọ adigh.
—1 Ndi-eze 8.60

Mu onwem bu Jehova; nke ahu bu aham: M'gaghenye kwa onye ọzọ nsọpurum, M'gaghenye kwa arusi di iche iche apiri api otutom.
—Aisaia 42.8

Unu onwe-unu bu ndi-àmàm, ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta, . . . ka unu we mara, kwerem, ghọta na Mu onwem bu Onye ahu: ọ digh chi ọzọ eburu Mu onwem uzọ kpu, ọ digh kwa nke gēsom n'azu. Mu onwem, ọbuná Mu onwem, bu Jehova; ọ digh kwa onye-nzọputa di ma-ọbugh náním.
—Aisaia 43.10, 11

Chenum iru, ewe zọputa unu, unu nsọtu nile nke uwa: n'ihi na Mu onwem bu Chineke, ọ digh kwa Chineke ọzọ di.
—Aisaia 45.22

# 2 CHINEKE BU ONYE ỌMIKO NA ONYE AMARA

Jehova nwere obi-ebere, nēme kwa amara, Ọ digh-ewe iwe ọsọsọ, Ọ nāba kwa uba n'ebere. N'ihi na dika idi-elu nke elu-igwe si di n'elu uwa, otú a ka ebere-Ya di ike n'aru ndi nātu egwu Ya.

—Abù ọma 103.8, 11

Ma ebere nke Jehova nēsi na mḅe ebigh-ebi we rue mḅe ebigh-ebi n'aru ndi nātu egwu Ya, . . . Di-kwa-ra ndi nēcheta ukpuru-Ya ime ha. —Abù ọma 103.17a, 18b

Ònye bu Chineke dika Gi, Nke nēbupu ajọ omume, . . . n'ihi na onye ebere nātọ utọ ka Ọ bu.

—Maika 7.18

O sitere n'ebere nile nke Jehova na emegh ka ayi gwusia, n'ihi na obi-ebere-Ya nile agwugh. N'ihi na ọ buru na Ọ mekpa aru, ma Ọ gēnwe obi-ebere dika iba-uba nke ebere-Ya nile si di.

—Abù-ákwá 3.22, 32

N'ebe onye-ebere nọ I gēgosi Onwe-gi onye-ebere.

—Abù ọma 18.25

Kelenu Jehova; n'ihi na Ọ di nma: N'ihi na rue mḅe ebigh-ebi ka ebere-Ya di. —1 Ihe emere 16.34

N'ihi na amaram na Gi onwe-gi bu Chineke nke bu onye-amara, onye-obi-ebere, Onye nādigh-ewe iwe ọsọsọ, Nke nāba kwa uba n'ebere, Nke nēchèghari kwa uche bayere ihe ọjọ ahu I gēweta.

—Jona 4.2b

Site n'ebe di anya ka Jehova mere ka m'hu Ya, si, Ọ bu ihu-n'anya nke di mḅe ebigh-ebi ka M'jiworo hu gi n'anya: n'ihi nka ka M'meworo ka ebere digidere gi. —Jeremaia 31.3

N'ihi na Mu onwem mara èchìchè nile nke Mu onwem nēchè bayere unu, (ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta), èchìchè nke udo, ọ bugh nke ihe ọjọ, inye unu ọdi-n'iru na ntukwasi-obi.
—Jeremaia 29.11

Le, ihe m'ji nwe ihe di ilu ilu bu ka m'we nata udo: Ma Gi onwe-gi (Chineke) huru nkpuru-obim n'anya si-ike, we si n'olùlù nke itọḅọrọ-n'efu dọputam; N'ihi na I tufuru nmehiem nile n'azu Gi.
—Aisaia 38.17

Dika nna si enwe obi-ebere n'aru umu-ya, Otú a ka Jehova nwere obi-ebere n'aru ndi nātu egwu Ya.
—Abù ọma 103.13

Ayi onwe-ayi amawo kwa ihu-n'anya ahu, ayi ekwerewo kwa na ya, bú nke Chineke nwere n'ebe ayi nọ. Ayi onwe-ayi nāhu n'anya, n'ihi na Ya onwe-ya buru uzọ hu ayi n'anya. —1 Jọn 4.16a,19

Jehova, bú Chineke-gi, nọ n'etiti gi, Ọ bu dike nke nāzọputa: O gēji ọṅù nwe obi-utọ n'aru gi, O gedere du n'ihu-n'anya-Ya, O gēji iti-nkpu-ọṅù teghari egwu ọṅù n'aru gi. —Zefanaia 3.17

# 4 IHE KACHASI MKPA NA NDU MADU BU IMARA CHINEKE

Ndi ahu nke mara Chineke-ha gādi ike, me ihe. —Daniel 11.32b

Kama, onye nānya isi, ya nya isi na nka, na ọ nwere uche n'ebe M'nọ, we maram, na Mu onwem bu Jehova Nke nēme ebere na ikpé ziri ezi na ezi omume n'uwa: n'ihi na ihe ndia atọwom utọ; ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta.
—Jeremaia 9.24

Ndi ihe nāgara nke-ọma ka ndi nēchebe ihe-àmà-Ya nile bu, ndi nēwere obi-ha nile chọ Ya.
—Abù ọma 119.2

Ndu na ọnwu, ngọzi ahu na nkọcha ahu, ka m'tiyeworo n'iru gi: gi rọrọ kwa ndu, . . . ihu Jehova, bú Chineke-gi, n'anya, na ige nti olu-Ya, na irapara n'aru Ya: n'ihi na Ya onwe-ya bu ndugi.
—Deuteronomi 30:19b, 20a

N'ihi na ebere atọwom utọ, ọ bugh àjà; ọmuma Chineke atọwokwam utọ kari àjà-nsure-ọku nile. —Hosea 6.6

Dika agu iyi miri si agu nne-ele, otú a ka agu Gi nāgu nkpuru-obim, Chineke. —Abù ọma 42.1

Ọ si, Irum ganēje, M'gēme kwa ka i zuru ike. —Ọpupu 33.14

Me ka ebere-Gi digidere ndi mara Gi; me kwa ka ezi omume-Gi digidere ndi ziri ezi n'obi.
—Abù ọma 36.10

# IBI NDU IGBAKỌTA CHINEKE AZU N'EWETA ỌNWU

Jehova nọyere unu, mbe unu nọyere Ya; ọ buru kwa na unu achọ Ya, Ọ gēme ka unu chọta Ya; ma ọ buru na unu arapu Ya, Ọ gārapu unu. —2 Ihe emere 15.2b

Obi di aghughọ kari ihe nile, ihe nādigh ngwọta ka ọ bu kwa: ònye gāmara ya? —Jeremaia 17.9

Uzọ di nke ziri ezi n'iru madu, ma nsọtu-ya bu uzọ nile nke ọnwu. —Ilu 16.25

N'ihi na asi na Chineke emeregh ndi-mọ-ozi ebere mbe ha mehiere, kama Ọ tubàra ha n'ime-ime ọku ala-mọ, we rara ha nye n'olùlù nke ọchichiri, ka ewe debe ha ikpe ikpé. Onye-nwe-ayi matara idọputa ha n'ọnwunwa, bú ndi näsọpuru Chineke, na idebe ndi ajọ omume n'ahuhu-nmehie rue ubọchi ikpé. —2 Pita 2.4, 9

Ma ọ buru na unu egegh nti olu Jehova, kama unu nānupu isi n'okwu-ọnu Jehova, aka Jehova gādi kwa imegide unu. —1 Samuel 12.15a

Ọ buru na onye ọ bula anọgidegh nimem, atupu ya n'èzí dika alaka, ọ kpọnwu kwa; ha we chikọta ha, tubà ha n'ọku, ewe rechapu ha ọku. —Jọn 15.6

Ma ndi-njehie, anēkpochapu ha n'otù. —Abù ọma 37.38a

Unu gāchọsikwam ike, we chọtam, mḇe unu ji obi nile unu achọm. —Jeremaia 29.13

Ọ buru na i chọ ya . . . dika àkù zoro ezo . . . : Mḇe ahu ka i gāghọta . . . ihe-ọmuma Chineke . . . . —Ilu 2.4, 5

Riọnu, agēnye kwa unu; chọnu, unu gāchọta kwa; kuanu, agēmeghe-kwa-ra unu. —Matiu 7.7

Ma asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bú ime ihe gātọ Chineke ezi utọ: n'ihi na onye nābiakute Chineke aghagh ikwe na Ọ di, na O nēgosi kwa Onwe-ya Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlu. —Ndi-Hibru 11.6

Mu onwem nāhu ndi ahu n'anya, bú ndi nāhum n'anya; Ọ bu kwa ndi nāchọsim ike gāchọtam. —Ilu 8.17

Jehova di nma n'ebe ndi nēle anya Ya nọ, Ọ di nma n'ebe nkpuru-obi nke nāchọ Ya nọ. —Abù-ákwá 3.25

Ọ we site n'otù onye kè mba nile n'otù n'otù nke madu, . . . ka ha we chọ Chineke, ma elegh anya ha gāsọ ìsì, we chọta Ya, ọ bu ezie na Ọ nọgh n'ebe di anya n'aru onye ọ bula nime ayi. —Ọlu ndi-ozi 17.26a, 27

Ma mu onwem, m'gāchọ Chineke, Chineke ka m'gēbo kwa okwum. —Job 5.8

N'ihi na Jehova, bú Chineke-unu, nēme amara, nwe kwa obi-ebere, Ọ gagh-esi kwa n'ebe unu nọ wezuga iru-Ya, ọ buru na unu alaghachikute Ya.

—2 Ihe emere 30.9b

N'ihi na Gi onwe-gi, Onye-nwe-ayi, di nma, I bu kwa onye nāḅaghara nmehie, I nāba kwa uba n'ebere n'aru ndi nile nākpọku Gi. —Abù ọma 86.5

Biarunu Chineke nso, Ọ gābiaru kwa unu nso. —Jemes 4.8a

Jehova di nso ndi nile nākpọku Ya, bú ndi nile nākpọku Ya n'ezi-okwu. —Abù ọma 145.18

Biko bianu, ka ayi rurita uka, bú ihe Jehova nāsi: ọ buru na nmehie-unu adi ka uwe uhie, ọ bu dika snow ka ha gādi ọcha; ọ buru na ha acha uhie uhie dika ogho uhie, ọ bu dika aji ọcha ka ha gādi.

—Aisaia 1.18

Biakutenum, unu nile ndi nādọḅu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowo-kwa-ra ibu di arọ́, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike. Nyara-nu yoke nkem n'olu-unu, muta-kwa-nu ihe n'ọnum; n'ihi na abum Onye nwayọ na Onye wedatara Onwe-ya ala n'obi: unu gāhu kwa izuike nye nkpuru-obi-unu.

—Matiu 11.28, 29

Onye nābiakutekwam M'gaghachupu ya ma-ọli. —Jọn 6.37b

Ònye di ka Gi n'etiti chi nile, Jehova . . . , di ebube n'idi-nsọ?
—Ọpupu 15.11a

Ọ digh onye di nsọ dika Jehova; n'ihi na ọ digh onye ọzọ ma-ọbugh Gi.
—1 Samuel 2.2a

Ya buru Chineke ihe-árú, bú imebi iwu; . . . buru kwa Onye puru ime ihe nile ihe-árú, bú ime ajọ omume.
—Job 34.10b

Nsọ, nsọ, nsọ, ka Jehova nke usu nile nke ndi-agha di: ùjú uwa nile bu ebube-Ya.
—Aisaia 6.3b

N'ihi na otú a ka Ọ siri, bú Onye di elu, Nke eme-kwa-ra ka Ọ di elu, Onye nēbi ebi mḅe nile ebigh-ebi, Onye Nsọ ka aha-Ya bu kwa: Ọ si, N'ebe di elu di kwa nsọ ka M'bi.
—Aisaia 57.15a

Onye ezi omume ka Jehova bu n'uzọ-Ya nile, Ọ di kwa ebere n'ọlu-Ya nile.
—Abù ọma 145.17

Ọ digh onye ọ bula bu ezi onye maọbugh otù Onye, bú Chineke.
—Mak 10.18b

Ònye nāgagh-atu egwu, Onye-nwe-ayi, to kwa aha-Gi? n'ihi na náni Gi di ọcha n'obi.
—Nkpughe 15.4a

Ka ha kele aha-Gi nke di uku, nke anātu kwa egwu ya: Onye nsọ ka Ọ bu.
—Abù ọma 99.3

Bulienu Jehova, bú Chineke-ayi, kpọ-kwa-nu isi ala n'ebe ugwu nsọ Ya di.
—Abù ọma 99.9a

Gi onwe-gi kwere na Chineke bu otù; i nēme nke-ọma: ndi-mọ ọjọ kwe-kwa-ra, we kuja. Ma ì nāchọ ka i mara, gi madu efu, na okwu-kwe bu ihe nādigh-aluputa ihe ma ọlu adigh ya? —Jemes 2.19, 20

Ihe-árú n'anya Jehova ka uzọ onye nēmebi iwu bu: Ma onye nāb̦aso ezi omume ka Ọ nāhu n'anya. —Ilu 15.9

Nāb̦asonu udo n'ebe madu nile nọ, ya na ido-nsọ ahu, nke onye ọ bula agagh-ahu Onye-nwe-ayi an-ya ma ọ nwegh ya. —Ndi-Hibru 12.14

Onye nāsi, Amawom Ya, ma ọ digh-edebe ihe nile Ọ nyere n'iwu, ọ bu onye-ugha, ezi-okwu adigh kwa nime onye ahu: Nime nka ka umu Chineke bu ndi emeworo ka ha puta ìhè, ha na umu ekwensu: onye ọ bula nke nādigh-eme ezi omume esigh na Chineke puta, on-ye nke nādigh-ahu nwa-nna-ya n'anya esigh kwa na Ya puta. —1 Jọn 2.4; 3.10

Kama dika Onye kpọrọ unu di nsọ, unu onwe-unu, ghọ-kwa-nu ndi di nsọ n'ibi-obi nile di iche iche. —1 Pita 1.15

Chọnu ezi ihe, achọ-kwa-la ihe ọjọ, ka unu we di ndu: Jehova, bú Chineke nke usu nile nke ndi-agha, ewe si otú a nọyere unu, otú unu siri. —Emos 5.14

Ọ bu kwa gini ka Jehova nācho n'aka-gi, ma-ọbugh náni ime ihe ekpere n'ikpe, na ihu ebere n'an-ya, na iji obi-ume-ala soro Chi-neke-gi nēje ije? —Maika 6.8b

Nsọ ka unu gādi: n'ihi na nsọ ka Mu onwem, bú Jehova, Chineke-unu, di. —Levitikọs 19.2b

Hu Onye-nwe-ayi Chineke-gi n'anya site n'obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, na ike-gi dum, na uche-gi dum; hu kwa onye-aḅata-obi-gi n'anya dika onwegi. —Luk 10.27b

I matawo ihe nile enyere n'iwu, Eḅula madu, Akwala iko, Ezula ori, Aḅala àmà ugha, Emeḅula madu, Sọpuru nna-gi na nne-gi. —Mak 10.19

Unu ekwe-kwa-la ka eme ka unu yie ajọ oge a: kama ka enwogha unu site n'ime ka uche-unu buru ihe ọhu. —Ndi Rom 12.2a

Akwukwọ iwu a agaghapu n'ọnu-gi, kama i gātughari uche nime ya ehihie na abali, ka i we lezie anya ime dika ihe nile si di nke edeworo nime ya: n'ihi na mḅe ahu i gēme ka ije-gi ga nke-ọma, mḅe ahu i gēnwe kwa uche. —Joshua 1.8

Nwenu okwukwe Chineke. —Mak 11.22b

Ihe isi di nke Jehova kpọrọ asì;
E, ihe asa di nke bu ihe-árú nke nkpuru-obi-Ya: Anya di elu, na ire okwu-ugha, na aka nāwusi ọbara nēmegh ihe ọjọ; na obi nke nēchèputa ēchìchè ajọ ihe, na ukwu nēme ngwa iḅaga n'ihe ọjọ; na onye-àmà okwu-ugha nke nēkupu okwu-ugha di iche iche dika ume, na onye nēzisa ise-okwu n'etiti umunne. —Ilu 6.16-19

N'ihi na Mu onwem, Jehova, nāhu ikpé ziri ezi n'anya, anamakpọ nnapu-n'ihe-ike n'ajọ omume asì. —Aisaia 61.8a

Ma ndi nātu ujọ, na ndi nēkwegh ekwe, na ndi-árú, na ndi-oḅu-madu, na ndi nākwa iko, na ndi nāgwọ ńsí, na ndi nēkpere arusi, na ndi-ugha nile, òkè-ha gābu nime ọdọ ahu nke ji ọku na brimstone nēre; nke bu ọnwu nke-abua ahu. —Nkpughe 21.8

N'ihi nka lezienu anya nime mọunu, ka nwoke ghara kwa ighọḅu nwunye ọ lutara n'okorọbia. N'ihi na Ọ kpọwo nchupu-nwunye asì. —Malakai 2.15b, 16a

Unu echè-kwa-la ihe ọjọ n'obi-unu, onye ọ bula megide ibe-ya; unu ahukwa-la ọḅuḅa-iyi ugha n'anya: n'ihi na ihe ndia nile bu ihe nke M'kpọworo asì; ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta. —Zekaraia 8.17

Ma amaram unu, na unu enwegh ihu-n'anya Chineke nime onwe-unu. —Jọn 5.42

N'ihi na onye ọ bula nke gēdebe iwu ahu dum, ma ọ su ngọngọ n'otù ihe, emewo ya ka ọ buru onye ikpé iwu ahu nile mara.
—Jemes 2.10

M'we si, Ahuhu nādirim, n'ihi na alawom n'iyì; n'ihi na onye ebubere-ọnu-ya abua ruru árú ka m'bu, ọ bu kwa n'etiti ndi ebubere-ọnu-ha ruru árú ka m'nēbi: n'ihi na ọ bu Eze-ayi, bú Jehova nke usu nile nke ndi-agha, ka anyam abua huworo. —Aisaia 6.5

Ya mere onye matara ime ihe ọma, ma ọ megh ya, ọ buru onye ahu nmehie. —Jemes 4.17

Dika edeworo ya n'akwukwọ nsọ, si, Ọ digh onye bu onye ezi omume, ọ digh otù onye ma-ọli. N'ihi na madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke.
—Ndi Rom 3.10, 23

Onye ọ bula nke nādigh-eme ezi omume esigh na Chineke puta, onye nke nādigh-ahu nwa-nna-ya n'anya esigh kwa na Ya puta.
—1 Jọn 3.10b

Ayi nile kpafuru akpafu dika ìgwè aturu: ayi chere iru, onye ọ bula n'uzọ nke aka ya.
—Aisaia 53.6a

Ònye puru iguzo n'iru Jehova, bú Chineke nsọ a? —1 Samuel 6.20b

N'ihi na anamaḇara ha àmà na ha nānu ọku n'obi n'ebe Chineke nọ, ma ọ bugh dika nmazu si di. N'ihi na, ebe ha nāmagh ezi omume Chineke, nāchọ kwa uzọ ime ka ezi omume nke aka ha guzo, ha edogh onwe-ha n'okpuru ezi omume Chineke. —Ndi Rom 10.2, 3

Ayi we di ka onye ruru árú, ayi nile; na dika uwe emeruru emeru, otú a ka ezi omume nile ayi di: ayi we kpọnwua dika akwukwọ osisi, ayi nile; ajọ omume-ayi nēfepu kwa ayi, dika ifufe. —Aisaia 64.6

Mḇe M'nāsi onye ezi omume, na ọ ghagh idi ndu; onye ahu ewe tukwasi obi n'ezi omume-ya, me ajọ omume, ezi omume-ya nile, agagh-echeta ha; ma n'ajọ omume-ya nke ọ meworo, nime ya ka ọ gānwu. —Ezikiel 33.13

Ndi nke nọ n'anu-aru apugh kwa itọ Chineke utọ. N'ihi na site n'ọlu nile nke iwu ọ digh madu ọ bula agāgu n'onye ezi omume n'iru Ya. —Ndi Rom 8:8; 3.20a

Ọ bugh na ayi ruru n'onwe-ayi, igu ihe ọ bula dika o sitere n'onwe-ayi; kama iru-eru-ayi sitere na Chineke. —2 Ndi Kọrint 3.5

Ma ọ putara ìhè na ọ digh onye ọ bula anāgu n'onye ezi omume n'iwu n'iru Chineke: n'ihi na, Onye ezi omume gēsite n'okwukwe di ndu. —Ndi Galetia 3.11

# 14 NMEHIE N'EKEWAPU AYI N'EBE CHINEKE NỌ

N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otù madu ba n'uwa, dika ọnwu si n'aka nmehie ba kwa; ọnwu we si otú a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere.
—Ndi Rom 5.12

Mḅe ahu agu ihe ọjọ ahu, mḅe ọ tuworo ime, ọ we muputa nmehie: nmehie ahu, mḅe o tozuru okè, ọ we muputa ọnwu. —Jemes 1.15

Nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu. —Ezikiel 18.20a

Kama ajọ omume nile unu aghọwo ihe nākpa ókè n'etiti unu na Chineke-unu, nmehie nile unu ezonariwo kwa unu iru-Ya, Ọ we ghara inu. —Aisaia 59.2

Onye nēguzosi ike n'ezi omume gēru na ndu: Ma onye nāḅaso ihe ọjọ gēru n'ọnwu nke aka ya.
—Ilu 11.19

Otú a ka Chineke siri, N'ìhi gini ka unu onweunu nāgabiga ihe nile Jehova nyere n'iwu, ihe we ghara igara unu nke-ọma? n'ihi na unu arapuwo Jehova, Ọ rapuwo kwa unu. —2 Ihe emere 24.20b

N'ihi na nmehie nke iju-ase n'aka ndi-mọ ka nnupu-isi bu, ikpere-arusi na terafim ka isi-ike bu kwa. N'ihi na i juwo okwu Jehova, Ọ juwo kwa gi. —1 Samuel 15.23a

N'ihi na I zonariwo ayi iru-Gi, we me ka ayi ḅaze site n'aka ajọ omume nile nke ayi. —Aisaia 64.7b

Chineke bu onye-ikpe nēme ezi omume, Ọ bu kwa Chineke nke nēwe iwe kwa-ubọchi.

—Abù ọma 7.11

Jehova adigh-ewe iwe ọsọsọ, Ọ di kwa uku n'ike, ma ọ digh uzọ ọ bula Ọ gāgu ndi ikpe mara na ha bu ndi ikpe nāmagh. —Nehum 1.3a

Ọ bu kwa n'ihi ihe ndia ka iwe Chineke nābiakwasi umu nke ekweyegh-ekweye. —Ndi Kọlọsi 3.6

N'ihi na esi n'elu-igwe kpughe iwe Chineke imegide asọpurugh-Chineke na ajọ omume nile nke madu, ndi nēḅochi ezi-okwu n'ajọ omume. —Ndi Rom 1.18

Ebe ha juputara n'ajọ omume nile, ajọ ọlu, anya-uku, obi ọjọ; juputa kwa n'ekworo, ọḅuḅu-madu, esem-okwu, aghughọ, uche ọjọ; ndintakwu, ndi nēkwutọ madu, ndi nākpọ Chineke asì, ndi nēme madu iheihere, ndi-npako, ndi nānya isi, ndi nāchọputa ihe ọjọ, ndi nēkweyegh ndi muru ha, ndi nēnwegh nghọta, ndi nēmebi ọḅuḅa-ndu, ndi ihe madu-ibe-ha nādigh-atọ utọ, ndi nēnwegh obi-ebere: madu ndi, ọ bu ezie na ha mazuru ihe Chineke guru n'ihe ziri ezi, na ndi nēme ihe di otú a kwesiri ọnwu, ma ọ bugh nání na ha nēme ha, kama ndi nēme ha di kwa ha ezi nma. —Ndi Rom 1.29-32

Edebeworo madu ka ha nwua anwu nání otù mḇe, ma mḇe nka gasiri ikpé eso ya.
—Ndi-Hibru 9.27b

Ma asim unu, na okwu ọ bula madu gēkwu nke nābagh n'ihe, ha gāza ajuju bayere ya n'ubọchi ikpé. —Matiu 12.36

N'ihi na ọlu ọ bula ka Chineke gēme ka ọ ba n'ikpé, ya na ihe ọ bula zoro ezo, ma ọ bu ezi ihe ma-ọbu ihe ọjọ. —Eklisiastis 12.14

Otú a ka ọ gādi n'ọgwugwu oge a: ndi-mọ-ozi gāputa, kewaputa ndi bu ajọ madu n'etiti ndi ezi omume, ha gātubà kwa ha n'oké ọku ahu: n'ebe ahu ka ikwa-ákwá na itaikekere-ezé ahu gādi.
—Matiu 13.49, 50

M'we hu ndi nwuru anwu nile, ndi uku na ndi ntà, ka ha nēguzo n'iru oche-eze ahu; ewe saghe akwukwọ di iche iche: asaghe-kwa-ra akwukwọ ọzọ, nke bu akwukwọ nke ndu: ewe kpe ndi nwuru anwu ikpé site n'ihe nile edereri n'akwukwọ ahu di iche iche, dika ọlu nile ha si di. Ọ buru kwa na ahugh onye ọ bula ka edereri ahaya n'akwukwọ nke ndu ahu, ewe tubà ya n'ọdọ ọku ahu.
—Nkpughe 20.12, 15

Ọ bu ihe di egwu idabà n'aka Chineke di ndu. —Ndi-Hibru 10.31

N'ebe nile ọ bula ka anya abua nke Jehova di, Nēche ndi ọjọ na ndi bu ezi madu nche. —Ilu 15.3

Jehova, I gwuputawo ala obim, I we maram. Gi onwe-gi amawo nnọdu-alam na nbili-ọtọm, I nāghọta èchìchèm nile site n'ebe di anya. Okporo-uzọm na ndina-alam ka I fùchaworo dika ọka, Ọ bu kwa uzọm nile ka I maworo nke-ọma. N'ihi na ọ digh okwu di n'irem, Ma, le, Jehova, I machasiwo ya. —Abù ọma 139.1-4

N'ihi na Jehova adigh-ahu dika madu si ahu; n'ihi na madu nēle ihe anya nāhu, ma Jehova nēle obi. —1 Samuel 16.7b

Onye nāku nti dika ihe-ọkukú, Ọ gagh-anu íhe? Ma-ọbu Onye nākpu anya, Ọ gagh-ahuwa uzọ? —Abù ọma 94.9

N'ihi na anyam abua dikwasi n'uzọ nile ha: ezopugh ha n'irum, ezobegh kwa ajọ omume-ha pua n'iru anyam abua. —Jeremaia 16.17

Ọ digh kwa ihe ekère èkè nke nāputagh ìhè n'iru Ya: kama ihe nile ḅa ọtọ buru kwa ihe emeghewo n'anya-Ya, bú Onye ayi gākọrọ akukọ bayere omume-ayi. —Ndi-Hibru 4.13

Ma ha adigh-asi n'obi-ha na ọ bu ihe ọjọ nile ha ka M'chetaworo: uḅu a ka omume nile ha ḅaworo ha buruburu; na ncherita-irum ka ha di. —Hosea 7.2

# 18 ISI NA NMEHIE CHIGHARIA BU IHE ACHỌRỌ

Ò nātọm utọ ma-ọli, bú ọnwu nke onye nēmebi iwu? (ọ bu ihe si n'ọnu Ōnye-nwe-ayi Jehova puta): ò digh-atọm utọ mḇe o si n'uzọ-ya chigharia, we di nd̉u?

—Ezikiel 18.23

Asim unu, É-è: kama, ọ buru na unu echègharigh, unu nile gāla n'iyì otú ahu. —Luk 13.3

Onye nēkpuchi njehie-ya nile, ọ gagh-agara ya: Ma onye nēkwuputa ha, nke nārapu kwa ha, agēnwe obi-ebere n'aru ya. —Ilu 28.13

Ma ọbuná uḇu a, (ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta), werenu obi-unu nile, were kwa obubu-ọnu, were kwa ikwa-ákwá, were kwa iti-aka-n'obi, chigharikutem: dọwa-kwa-nu obi-unu, adọwa-kwa-la uwe-unu, chigharikute Jehova, bú Chineke-unu: n'ihi na Onye-amara na Onye-obi-ebere ka Ọ bu, Onye nādigh-ewe iwe ọsọsọ, Nke nāba kwa uba n'ebere. —Joel 2.12, 13a

Chirinu okwu n'aka-unu laghachikute Jehova: sinu Ya, Bupu ajọ omume nile ayi, nara ezi ihe.

—Hosea 14.2a

Ọ nelekwasi madu anya, ma ọdi onye n'asi, Emehiewom. . . . Ọ ḇaputawo nkpuru-obim n'igabiga ba n'olùlù. Ndum gēle kwa ìhè.

—Job 33.27a, 28

Chọnu Jehova mḇe anāchọta Ya, kpọkuenu Ya mḇe Ọ nọ nso: onye nēmebi iwu, ya rapu uzọ-ya, onye nēme ajọ ihe, ya rapu èchìchè-ya nile: ya laghachikute kwa Jehova, Ọ gēnwe kwa obi-ebere n'aru ya; ya laghachikute kwa Chineke-ayi, n'ihi na Ọ gāḇaghara ya nmehie-ya n'uba. —Aisaia 55.6, 7

Jehova nọ nso ndi obi-ha tiwara etiwa, Ọ nāzọputa kwa ndi azọpi-aworo nime mọ-ha.

—Abù ọma 34.18

Elegh anya ulo Juda gānu ihe ọjọ ahu nile nke . . . ka ha we lata, onye o bula o si n'uzọ ọjọ ya lata; ka M'we ḇaghara . . . nmehie-ha.

—Jeremaia 36.3

Anamemeri ka I mara nmehiem, ekpuchighkwam ajọ omumem: M'siri, M'gēkwuputara Jehova njehiem nile; gi onwe-gi bupu-kwara ajọ omume nke nmehiem.

—Abù ọma 32.5

Ọ buru na ayi ekwuputa nmehie-ayi, Ọ bu Onye kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi omume, ka Ọ we ḇaghara ayi nmehie-ayi, sachapu kwa ayi ajọ omume nile. —1 Jọn 1.9

Ya mere chègharianu, chigharikwa-nu, ka ewe hichapu nmehie nile unu. —Ọlu ndi-ozi 3.19a

Ncheghari putara ichighari pua na nmehie na ikwuputa ya nye Chineke.

# ACHỌRỌ ỌCHUCHU AJA IJI ME KA AYI NA CHINEKE DI N'UDO

(Nmehie wetara nkewapu, Peji 14.)

O gēbikwasi aka-ya n'isi àjà-nsure-ọku ahu; agānara kwa ya nke-ọma n'ọnọdu ya iji kpuchiri ya nmehie-ya. N'ihi na ndu nke anu-aru, n'ọbara ka ọ di: Mu onwem enyewo kwa unu ya n'elu ebe-ichu-aja ikpuchiri nkpuru-obi-unu nmehie-ha: n'ihi na ọbara ka ọ bu nke nēkpuchi nmehie nime nkpuru-obi. —Levitikọs 1.4; 17.11

Ọ fọduru ihe ntà ka m'si na eji kwa ọbara eme ihe nile ka ha di ọcha, dika iwu-ayi si di, ọ buru kwa na nwusì ọbara adigh nḅagh-ara nmehie adigh. —Ndi-Hibru 9.22

Nwa-aturu unu nwere gābu nke zuru okè, oké nke ḅara otù arọ: . . . Ọbara ahu gāburu unu ihe-iriba-ama n'aru ulo nile ebe unu onwe-unu nọ: mḅe M'huru ọbara ahu, M'gāgabiga unu, ọ digh kwa ihe-otiti gādi n'aru unu ibu ihe-nbibì. —Ọpupu 12.5a, 13a

Abraham we si, Chineke gāhuru Onwe-ya nwa-aturu iji chu aja-nsure-ọku, nwam: . . . Abraham we welie anya-ya abua hu, ma, le, otù ebulu n'azu ya, nke alugh-ulù nējide ya na mpi-ya: Abraham we je, were ebulu ahu, sure ya ka ọ buru àjà-nsure-ọku n'ọnọdu nwa-ya nwoke. —Jenesis 22.8a, 13

N'echi-ya ọ hu Jisọs ka Ọ nābiakute ya, ọ we si, Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa! —Jọn 1.29

Jehova emewo ka ajọ omume nke ayi nile dakwasi ya. Achiri ya n'ihe-ike, ma ya onwe-ya wedara onwe-ya n'ala, we ghara isaghe ọnu-ya; dika aturu nke anākpuru ije n'ọḅuḅu-ya, na dika nne-aturu nke dara ọḅi n'iru ndi nākpacha ya aji; e, ọ dighasaghe ọnu-ya. —Aisaia 53.6b, 7

O sitegh kwa n'ọbara nke ewu na nke umu-ehi, kama O sitere n'ọbara nke Ya onwe-ya, ba n'ebe nsọ nání otù mḅe, ebe Ọ chọputara nḅaputa ebigh-ebi. N'uzọ ra otú a Kraist, . . . echere Ya n'iru Chineke nání otù mḅe iburu nmehie nile nke ọtutu madu. —Ndi-Hibru 9.12, 28a

Ebe unu matara na ejigh ihe apuru imebi, bú ọla-ọcha ma-ọbu ọlaedo, ḅaputa unu . . . Kama eji ọbara di oké ọnu-ahia, dika nke nwa-aturu nke ọlu ma-ọbu ntupọ nādigh ya n'aru, bú ọbara nke Kraist. —1 Pita 1.18a, 19

Òbara Kraist, Onye sitere n'aka Mọ ebigh-ebi che Onwe-ya nātagh uta n'iru Chineke, gēsi aṅa ghara ime akọ-na-uche-ayi ka ọ di kari ọcha nke-uku ri nne pua n'ọlu nile nwuru anwu ikpere Chineke di ndu? —Ndi-Hibru 9.14

# NGBAPUTA NANI SITE NA NRỌPUTA NKE CHINEKE

Anēwere kwa amara-Ya nāgu ha na ndi ezi omume n'onyinye efu site na nḅaputa ahu nke di nime Kraist Jisọs: Onye Chineke chere n'iru ọra madu ka Ọ buru ihe ijuru Ya obi, site n'okwukwe ekwere n'ọbara-Ya.

—Ndi Rom 3.24, 25a

Ma Chineke nēme ka ihu-n'anya nke aka Ya n'ebe ayi nọ puta ìhè, n'ihi na, mḅe ayi nọ nābu ndi-nmehie, Kraist nwuru n'ihi ayi. Ya mere nke kariri ri nne, ebe agusiri ayi na ndi ezi omume uḅu a nime ọbara-Ya, agāzọputa ayi n'iwe Chineke site n'aka-Ya.

—Ndi Rom 5.8, 9

N'ihi na ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke: o sitegh n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi.

—Ndi Efesọs 2.8, 9

Onye ahu ka ndi-amuma nile nāḅara àmà, na site n'aha-Ya onye ọ bula nke kwere na Ya gānata nḅaghara nmehie.

—Ọlu ndi-ozi 10.43

Nzọputa adigh kwa n'onye ọ bula ọzọ: n'ihi na aha ọzọ di iche adigh kwa n'okpuru elu-igwe, nke enyeworo n'etiti madu, nke anāghagh izọputa ayi nime ya.

—Ọlu ndi-ozi 4.12

. . . ezigara mọ-ozi ahu, bú Gebriel, site n'ebe Chineke nọ je obodo nke Galili, anākpọ aha-ya Nazaret, jekuru nwa-aḅọghọ nāmagh nwoke, onye ekwere na otù nwoke si n'ulo Devid puta, onye aha-ya bu Josef, gālu ya; aha nwa-aḅọghọ ahu bu Meri. . . . Mọ-ozi ahu we si ya, Atula egwu, Meri: n'ihi na Chineke mere gi amara. Le kwa, i gāturu ime, muta Nwa-nwoke, kpọ aha-Ya JISUS. Nwa-nwoke ahu gābu onye uku, agākpọ kwa Ya Ọkpara nke Onye kachasi ihe nile elu: . . . ala-eze-Ya agagh-agwu kwa agwu. Meri we si mọ-ozi ahu, Ìhe a gēsi aṅa me, ebe ọ digh nwoke m'mara? Mọ-ozi ahu we za, si ya, Mọ Nsọ gābiakwasi gi, ike nke Onye kachasi ihe nile elu gēkpuchi kwa gi: n'ihi nka Ihe di nsọ nke i di ime Ya, agākpọ Ya Ọkpara Chineke. . . . N'ihi na ọ digh okwu ọ bula si Chineke n'ọnu puta nke nāgagh-adi irè. Meri we si, Le, abum orù-nwayi nke Onyenwe-ayi; ya dirim ka okwu-gi si di. Mọ-ozi ahu we pua n'ebe ọ nọ.

—Luk 1.26-38

Nani madu ndi batara n'uwa n'esitagh na nkpuru nke nmekọrita nwoke na nwanyi bu Adam na Kraist. Adam wetara nmehie n'ime uwa, ma Jisọs wetara nmeri n'ebe nmehie di.

Onye, ọ bu ezie na Ọ diri n'udi nke Chineke na mbu, ma Ọ gugh ya n'ihe O gējidesi ike, bú ira ka Chineke, ebe ahuru Ya ka Ọ di ka madu n'oyiyi-Ya, Ọ weda-kwa-ra Onwe-ya, we buru Onye nāňa nti rue ọnwu, bú ọnwu nke obe.
—Ndi Filipai 2.6, 8

Mu onwem na Nnam bu otù. Ùnu onweunu nēkwu okwu bayere Onye ahu Nnam doro nsọ zite kwa n'uwa, si, I nēkwulu Chineke; n'ihi na asim, Abum Ọkpara Chineke?
—Jọn 10.30, 36

Jisọs Kraist Onye bu Okwu-ebighebi ahu, diriadi mgbe nile. Site n'ọluebube, Chineke mere ka atuo ime Ya n'afo Mary. N'ihe anahu anya, amatara Ya dika Nwa nke Madu, ma n'ime mọ amatara Ya dika Nwa nke Chineke. Akwukwọ Nsọ neji mkpuru okwu a bu "NWA" n'akọwa nmekuta nke di n'etiti Chineke na Okwu Ya . . . Jisọs Kraist.

N'ihi nka mb̃e Ọ nābia n'uwa, Ọ si, . . . Ma aru ka I kwadebere nyem.
—Ndi-Hibru 10.5

Onye akaworo ibu Ọkpara Chineke n'ike, dika Mọ nke idinsọ si di, site na nbilite-n'ọnwu nke ndi nwuru anwu; bú Jisọs Kraist Onye-nwe-ayi.
—Ndi Rom 1.4

Tomas zara, si Ya, Onye-nwem na Chinekem.
—Jọn 20.28

Ọ bu kwa ihe anēkwuputa na ọ di uku, bú ihe-omimi nke nsọpuru-Chineke; Onye ahu Nke emere ka Ọ puta ìhè n'anu-aru.
—1 Timọti 3.16a

N'ihi na nime Ya ka ozuzù nile nke ihe Chineke bu nēbigide nēwere aru madu. —Ndi Kọlọsi 2.9

N'ihi na amuworo ayi otù nwa, otù nwa-nwoke ka enyeworo ayi; ibu-onye-isi gādikwasi kwa n'ubu-ya: agākpọ kwa aha-ya Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna Nke bu Nna mḇe nile ebigh-ebi, Onye-isi Udo.
—Aisaia 9.6

Jisọs siri ha, . . . Mḇe akāmugh Abraham Mu onwem di. —Jọn 8.58

Nime Ya ka ndu diri; ndu ahu buru kwa Ìhè nke madu. Ọ nọri n'uwa, ekè-kwa-ra uwa site n'aka-Ya, uwa amagh kwa Ya.
—Jọn 1.4, 10

N'ihi na otù Chineke di, otù Onye-oḇuḇo di kwa n-aḇata Chineke na madu, Onye Ya onwe-ya bu madu, bú Kraist Jisọs, Onye nyere Onwe-ya ka Ọ buru ihe-nḇaputa n'ihi madu nile.
—1 Timọti 2.5, 6a

Onye ayi nwere nḇaputa-ayi nime Ya, bú nḇaghara nmehie nile ayi: Onye bu onyinyo nke Chineke ahu Nke anāpugh ihu anya.
—Ndi Kọlọsi 1.14, 15a

N'ihi na ọ digh amuma ọ bula nke eji ọchichọ madu bu mḅe ọ bula: kama madu sitere na Chineke kwu okwu, mḅe Mọ Nsọ nēme ka ha kwue. —2 Pita 1.21

(Dika O kwuru site n'ọnu ndi-amuma-Ya di nsọ site n'oge mbu). Ime ndi nke Ya ka ha mara nzọputa Nime nḅaghara nmehie nile ha. —Luk 1.70, 77

Mọ nke Jehova kwuru site n'ọnum, Okwu-Ya di kwa n'irem. —2 Samuel 23.2

Okwu ndia, nke mu onwem nēnye gi n'iwu ta, gādikwasi kwa n'obi-gi. —Deuteronomi 6.6

Ihe ọ bula edeworo n'akwukwọ nsọ bu ihe si n'obi Chineke puta, ọ ba-kwa-ra urù iji zí ihe, na iji tu madu nmehie-ha n'anya, na iji me ka uche madu guzozie, na iji zù-puta nzùputa nke di n'ezi omume. —2 Timọti 3.16

N'ihi na ka ha ra, bú ihe edere n'akwukwọ nsọ n'oge gara aga, edere ha izí ayi ihe, ka ayi we were ntachi-obi na nkasi-obi nke ihe nile edeworo n'akwukwọ nsọ nwe olile-anya. —Ndi Rom 15.4

Unu nēhie uzọ, ebe unu amatagh ihe edeworo n'akwukwọ nsọ, ma-ọbu ike Chineke. —Matiu 22.29b

N'ihi na I mewo ka okwu-ọnu-Gi di uku n'elu aha-Gi nile. —Abù ọma 138.2b

Eḅokwasiwo kwa Ya uwe nke efesaworo ọbara: akpọwo kwa aha-Ya Okwu Chineke.
—Nkpughe 19.13

Na mbu ka Okwu ahu diri, Okwu ahu na Chineke di-kwa-ra, Okwu ahu buru kwa Chineke. Okwu ahu we ghọ anu-aru, bú madu, Ọ we biri n'etiti ayi. —Jọn 1.1, 14a

### Jisọs N'eme Ka Chineke Puta Ihe

N'ihi na ọ bu Chineke, Onye siri, Ìhè gēsi nime ọchichiri nwuputa, bu Onye nwubàra nime obi-ayi, iweta inye-ìhè nke ọmuma nke ebube nke Chineke n'iru nke Jisọs Kraist. —2 Ndi Kọrint 4.6

Ọ digh onye ọ bula huworo Chineke mḅe ọ bula; Chineke, bú Ọkpara amuru náni Ya, Onye nādabere n'obì Nna-Ya, Onye ahu kọrọ Ya nye madu. —Jọn 1.18

### Chineke N'esite Na Jisọs Kwuo Okwu

Chineke, mḅe Ọ gwarari nna-ayi-hà okwu n'oge ochie nime ndi-amuma n'iberibe-akwukwọ di iche iche na uzọ di iche iche, Ọ gwara ayi okwu n'ọgwugwu ubọchi ndia nime Ọkpara, Onye O doro onye-nketa nke ihe nile, Onye O sitekwa-ra n'aka-Ya me uwa nile.
—Ndi-Hibru 1.1, 2

Anamekwu ihe Mu onwem huworo n'ebe Nnam nọ. —Jọn 8.38a

# ITULE OKWU EDERE-EDE NA OKWU AHU DI NDU

## Akwukwọ Nsọ Bu Nri Nke Mkpuru Obi

Atukọbawom okwu nile nke ọnu-Ya kari òkèm. —Job 23.12b

Ọ bugh nání achicha ka madu gēji di ndu, kama ọ bu okwu nile ọ bula nke nēsi n'ọnu Chineke puta. —Matiu 4.4b

## Akwukwọ Nsọ N'enye Ihè N'uzọ Ayi

Okwu-Gi bu oriọna diri ukwum, ọ bu kwa ìhè diri okporo-uzọm. —Abù ọma 119.105

Nkpughepu okwu-Gi nile nēnye ìhè; ọ nēme ka ndi nēnwegh uche ghọta ihe. —Abù ọma 119.130

## Jisọs Bu Achicha si n'elu igwe

Mu onwem bu nri di ndu nke siri n'elu-igwe ridata: ọ buru na madu erie ufọdu nime nri a, ọ gādi ndu rue mḅe ebigh-ebi: ma nri nke Mu onwem gēnye kwa bu anu-arum, n'ihi ndu nke uwa. Mu onwem bu nri nke nēnye ndu. —Jọn 6.51, 48

## Jisọs Bu Ihè Nye Uwa

Nime Ya ka ndu diri; ndu ahu buru kwa Ìhè nke madu. Ya mere Jisọs gwara ha okwu ọzọ, si, Mu onwem bu Ìhè nke uwa: onye nēsom agagh-ejeghari n'ọchichiri, kama ọ gēnwe Ìhè nke ndu. —Jọn 1.4; 8. 12

**Akwukwọ Nsọ N'eweta Ndu Nke Nami Mkpuru**

Kama n'iwu Jehova ka ihe-utọya di; ọ bu kwa n'iwu-Ya ka ọ nātughari uche ehihie na abali. Ọ gādi kwa ka osisi akuworo n'akuku iyi juputara na miri, nke nāmi nkpuru-ya na mḅe-ya, ọzọ, akwukwọ-ya adigh-akpọnwu; ihe ọ bula kwa nke ọ nēme, ọ nēme ka ọ ga nke-ọma. —Abù ọma 1.2, 3

**Jisọs N'enye Ndu Nke Nami Mkpuru**

Nọgidenu nimem, Mu onwem kwa nime unu. Mu onwem bu osisi vine ahu, unu onwe-unu bu alaka nkem: Onye nānọgide nimem, Mu onwem kwa nime ya, onye ahu nāmi nkpuru ri nne: n'ihi na unu apugh ime lhe ọ bula ma Mu anọgh ya. —Jọn 15.4a, 5

## IHE EDERE N'AKWUKWỌ NSỌ N'AKỌ MAKA JISỌS KRAIST

Unu nēnyocha ihe edeworo n'akwukwọ nsọ, n'ihi na unu onwe-unu nēchè na unu nēnwe ndu ebigh-ebi nime ha; ha onwe-ha bu kwa ihe nāḅaram àmà. —Jọn 5.39

Ọ we malite isi n'akwukwọ Moses, si kwa n'akwukwọ ndi-amuma nile, me ka ha mata isi okwu bayere Onwe-ya n'ihe nile edeworo n'akwukwọ nsọ. —Luk 24.27

# OKWU EBIGH-EBI NKE CHINEKE ADIGH AGBANWE

Jehova, rue mb̧e ebigh-ebi ka emeworo ka okwu-Gi guzosie ike n'elu-igwe. Isi ihe nke okwu-Gi bu ezi-okwu; ọzọ, rue mb̧e ebigh-ebi ka ikpé ọ bula nke ezi omume-Gi di. —Abù ọma 119.89, 160

Ahihia akpọnwuwo, okoko-ọhia ajanwuwo: ma okwu Chineke-ayi gēguzosi ike rue mb̧e ebigh-ebi. —Aisaia 40.8

Rue mb̧e elu-igwe na ala gāgabi-ga, ọ digh̄ otù ihe ọ bula dikarisiri ntà gāgabiga n'iwu maọli, rue mb̧e ihe nile gēme. —Matiu 5.18b

Apugh kwa imebi ihe edere n'akwukwọ nsọ. —Jọn 10.35b

## Madu Agbanwekwala Akwukwọ Nsọ

Ihe ọ bula nke mu onwem nēnye unu n'iwu, nke ahu ka unu gēlezi anya ime: atukwasila ihe n'elu ya, agubì-kwa-la ihe nime ya. —Deuteronomi 12.32

Atukwasila ihe n'okwu-Ya nile, ka Ọ we ghara ibara gi nba, i we ghọ onye-okwu-ugha. —Ilu 30.6

Ọ buru kwa na onye ọ bula gē-wepu okwu nime okwu nile nke akwukwọ nke amuma nka, Chine-ke gēwepu òkè-ya n'akwukwọ nke ndu ahu. —Nkpughe 22.19a

Onye nēleda okwu Chineke anya nēmebi onwe-ya. —Ilu 13.13a

# ỌNWU JISỌS MERE KA ATUMATU CHINEKE ZUE OKE

**N'ihi nka ka Nnam nāhum n'anya, n'ihi na Mu onwem nātọḅọ ndum, ka M'we nara ya ọzọ. Ọ digh onye ọ bula nānapum ya, kama Mu onwem nātọḅọ ya n'Onwem. Enwerem ike itọḅọ ya, enwekwa-ram ike inara ya ọzọ.**
**—Jọn 10.17, 18a**

**Jisọs zara ya, si, I gagh-enwe ike ọ bula imegidem, ọ buru na esigh n'elu nye gi ya-ri.**
**—Jọn 19.11a**

**Ma-ọbu ì nēchè na apughm iriọ Nnam, O gēzite-kwa-ram ọbuná uḅu a kari legion iri na abua nime ndi-mọ-ozi? Ihe edeworo n'akwukwọ nsọ gēsi kwa aṅa mezu, na ọ ghagh ime otú a?**
**—Matiu 26.53, 54**

**Ma ihe nile Chineke buru uzọ kwusa site n'ọnu ndi-amuma-Ya nile, na Kraist-Ya gāhu ahuhu, Ọ mezuru ha otú a. —Ọlu ndi-ozi 3.18**

**Onye a, ebe ewere Ya nye site n'ìzù akara àkà nke Chineke na ọmuma-ihe Chineke buru uzọ mara, Onye a ka unu kpọgidere n'obe ḅu kwa site n'aka ndi nāmagh iwu-ayi. —Ọlu ndi-ozi 2.23**

**Ma ọ tọrọ Jehova utọ izọpia ya; Ọ mewo ka ọ ria ọria: ọ buru na nkpuruobi-ya achu aja-ikpe-ọmuma. —Aisaia 53.10a**

32 IHE AKỌRỌ BAYERE ỌNWU JISỌS SITE N'ỌNU NDI ÁMÁ

Ha kpọgide-kwa-ra ndikom abua tiyere Ya ndi nāpunara madu ihe; otù onye n'aka-nri-Ya, na otù onye n'aka-ekpe-Ya. Ewe mezue ihe edere n'akwukwọ nsọ, nke si, Ọ bu kwa na ndi nēmebi iwu ka aguru Ya. —Mak 15.27, 28

Ya mere ndi-agha biara, tijie ogwe-ukwu nke onye mbu, na nke onye ọzọ, nke akpọgidere Ya na ya n'obe: ma mḅe ha biaruru Jisọs, hu kwa na Ọ nwuwori uḅu a, ha etijigh ogwe-ukwu-Ya: otú ọ di, otù onye n'etiti ndi-agha were ube ma Ya n'akuku, ngwa ngwa ọbara na miri we puta. . . . N'ihi na ihe ndia mere, ka ihe edeworo n'akwukwọ nsọ we mezu, Agagh-etiji otù ọkpukpu-Ya. Ọzọ kwa, . . . Ha gēlegide Onye ahu Nke ha mapúru amapú. —Jọn 19.32-37

Ma site n'oge hour nke-isi ọchichiri ḅara n'ala ahu nile rue oge hour nkeiteghete. . . . Ma Jisọs were oké olu ti nkpu ọzọ, we ra mọ-Ya nye Chineke. . . . ala makwa-ra jijiji; oké nkume ḅawakwa-ra. Ma ọchi-agha nāchi ọgu ndi-agha ise, na ndi ha na ya nọ nēche Jisọs, mḅe ha huru ala-ọmajijiji ahu, na ihe nile emere, ha tua egwu ri nne, si, N'ezie Nwoke a bu Ọkpara Chineke. —Matiu 27.45, 50-51, 54

Onye Chineke mere ka O si n'ọnwu bilie, mḅe Ọ tọpusiri ihe-nḅu nke ọnwu: n'ihi na ọnwu apugh iji-de Ya. Jisọs nka ka Chineke mere ka O si n'ọnwu bilie, nke ayi onwe-ayi nile bu ndi-àmà-ya.
—Ọlu ndi-ozi 2.24, 32

Ya mere ebe umu-ntakiri ahu bu ndi nēnwekọ anu-aru na ọbara, Ya onwe-ya n'otù uzọ ahu keta-kwa-ra ihe ndia; ka Ọ we site n'ọnwu me ka onye ahu ghara idi irè, bú onye nwere ike nke ọnwu, ya bu ekwensu; ka Ọ we site kwa n'ọnwu naputa ndi ahu, ka ha ra, bú ndi ewere egwu ọnwu tuhi n'ibu-orù n'ogologo ndù-ha nile.
—Ndi-Hibru 2.14, 15

Ọnwu, òle ebe nmeri-gi di? Ọnwu, òle ebe ihe-ọḅuḅa-gi di? Ma ekele diri Chineke, Onye nēnye ayi nmeri site n'aka Onye-nwe-ayi Jisọs Kraist. —1 Ndi Kọrint 15.55, 57

Buru kwa Onye ahu nādi ndu; aghọ-kwa-ram onye nwuru anwu, ma le, anamadi ndu rue mḅe nile ebigh-ebi, enwe-kwa-ram nkpisi-ugodi nile nke ọnwu na nke Hedis.
—Nkpughe 1.18

Ma emere ka ọ puta ìhè uḅu a site na ngosi nke Onye-nzọputa-ayi Kraist Jisọs, Onye mere ka ọnwu ghara idi irè, site kwa n'ozi ọma Ya weputa ndu na emebigh-emebi n'ìhè. —2 Timọti 1.10

Le, anameguzo n'ọnu-uzọ, nāku kwa aka: ọ buru na onye ọ bula anu olum, meghe kwa uzọ, M'gā-bakute ya, so kwa ya ri nri-anyasi, ya onwe-ya gēsokwam rie.
—Nkpughe 3.20

Ma onye nālugh ọlu, kama ọ kwere n'Onye ahu Nke nāgu onye nāsọpugh Chineke n'onye ezi omume, anāgu okwukwe-ya nye ya dika ezi omume. —Ndi Rom 4.5

Naranu Mọ Nsọ: . . . Riọnu, unu gāriọta kwa, ka ọṅụ-unu we zue.
—Jọn 20.22b; 16.24b

Na ọ buru na i gēwere ọnu-gi kwuputa Jisọs na Ọ bu Onye-nwe-ayi, ọ buru kwa na i gēwere obi-gi kwere na Chineke mere ka O si na ndi nwuru anwu bilie, agāzọputa gi. —Ndi Rom 10.9

Onye nāhu nna-ya ma-ọbu nne-ya n'anya kari Mu adigh-ekwesim. Mḅe ahu Jisọs siri ndi nēso uzọ-Ya, Ọ buru na onye ọ bula achọ ka o som n'azu, ya ju onwe-ya, buli kwa obe-ya, nēsokwam. N'ihi na onye ọ bula nke nāchọ izọputa ndu-ya, o gētufu ya: ma onye ọ bula nke gētufu ndu-ya n'ihim, ọ gāhu ya. —Matiu 10.37a; 16.24, 25

Ma ọ buru na unu onwe-unu bu ihe di n'aru nke Kraist, ya mere unu bu nkpuru Abraham, buru ndi-nketa dika nkwa si di.
—Ndi Galetia 3.29

Chineke nyere ayi ndu ebighebi, ndu ahu di nime Ọkpara-Ya. Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu; onye nēnwegh Ọkpara Chineke enwegh ndu ahu.
—1 Jọn 5.11b, 12

Ma Chineke, . . . ọbuná mḇe ayi nọ n'ọnwu site na ndahie nile ayi, Ọ mere ka ayi so Kraist dikọ ndu (èjiwo amara zọputa unu).
—Ndi Efesọs 2.4a, 5

Akpọgidekọwo mu na Kraist n'obe; ọ bugh kwa mu onwem nādi ndu ọzọ, kama ọ bu Kraist nādi ndu nimem: ma ndu ahu m'nādi n'anu-aru uḇu a, anamadi ya n'okwukwe, bú nke m'kwere n'Ọkpara Chineke. —Ndi Galetia 2.20a

N'ihi na iwu nke Mọ nke ndu nime Kraist Jisọs mere ka m'pua n'aka iwu nke nmehie na nke ọnwu, nwere onwem. —Ndi Rom 8.2

Ya mere ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist, ọ bu onye ekère ọhu: ihe ochie agasiwo; le, ha aghọwo ihe ọhu. —2 Ndi Kọrint 5.17

Ebe amuworo unu ọzọ, esitegh na nkpuru apuru imebi, kama esitere na nke anāpugh imebi, site n'okwu Chineke, nke di ndu, nke nādigide kwa, mu unu ọzọ. Dika umu amuru ọhu, ka agu miriara nke okwu Chineke, nke aghughọ nādigh ya, nāgusi unu ike, ka unu we were ya nētó etó rue nzọputa.
—1 Pita 1.23; 2.2

Nna nke umu-nḇei, na onye-ikpe nke ndinyom di-ha nwuru, ka Chineke bu n'ebe-obibi-Ya di nsọ.
—Abù ọma 68.5

Ma uḇa a, Jehova, Nna-ayi ka I bu: ayi onwe-ayi bu urọ, Gi onwe-gi bu onye nākpu ayi; ọlu aka-Gi ka ayi nile bu. Gi onwe-gi, Jehova, bu Nna-ayi; Onye-nḇaputa-ayi site na mḇe ebigh-ebi gara aga ka aha-Gi bu. —Aisaia 64.8; 63.16b

O gēru kwa na, n'ebe ahu nke anāsi ha, Ọ bugh ndim ka unu bu, n'ebe ahu ka agāsi ha, Umu Chineke di ndu ka unu bu. —Hosea 1.10b

Ya mere, ọ buru na unu onwe-unu, ọ bu ezie na unu jọrọ njọ, ma unu nāmata inye umu-unu ezi onyinye, Nnà-unu Nke bi n'elu-igwe gēsi aṅa ghara iwere kari ezi ihe nke-uku nye ndi nāriọ Ya? . . . Ya mere, kpenu ekpere otú a: Nna-ayi Nke bi n'elu-igwe, Ka edo aha-Gi nsọ. —Matiu 7.11; 6.9

Mu onwem gākpọbata kwa unu, Buru kwa unu Nna, unu onwe-unu gābu-kwa-ram umu-ndikom na umu-ndinyom, ka Onye-nwe-ayi kwuru, Nke puru ime ihe nile.
—2 Ndi Kọrint 6.17b, 18

N'ihi na ka ha ra, bú ndi Mọ Chineke nēdú, ndi ahu bu umu-ndikom Chineke. —Ndi Rom 8.14

# SITE NA JISỌS AYI N'AMA CHINEKE DIKA NNA 

Jisọs si ya, Mu onwem bu uzọ, na ezi-okwu, na ndu: ọ digh onye ọ bula nābiakute Nnam, ma-ọbugh site na Mu. Ọ buru na unu maram-ri, unu gāmatawo-kwa-ri Nnam. Ọ buru na madu ahum n'anya, ọ gēdebe okwum: Nnam gāhu kwa ya n'anya, Ayi gābiakute kwa ya, nēme kwa ebe-obibi-Ayi n'ebe ọ nọ. —Jọn 14.6, 7a, 23b

. . . Chineke ziputara Ọkpara-Ya, . . . ka ayi we nata ido-ka-umu-ndikom ahu. Ma n'ihi na unu bu u-mu-ndikom, Chineke ziputara Mọ nke Ọkpara-Ya ba nime obi-ayi, nēti nkpu, . . . Ya mere i bugh orù ọzọ, kama i bu nwa-nwoke; ma ọ buru na i bu nwa-nwoke, i bu kwa onye-nketa site n'aka Chine-ke. N'ihi na unu nile bu umu Chi-neke, site n'okwukwe, nime Kraist Jisọs. —Ndi Galetia 4.4b, 5b-7; 3.26

Ma ka ha ra, bú ndi nara Ya, ha ka Ọ nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha-Ya. —Jọn 1.12

Ọ buru kwa na onye ọ bula eme-hie, ayi nwere otù Onye nēkwu ọnu ayi n'ebe Nna-ayi nọ, Ya bu Jisọs Kraist, bú Onye ezi omume. —1 Jọn 2.1b

N'ihi na ayi abua sitere n'aka-Ya nwe nkpọbata-ayi n'ebe Nna nọ nime otù Mọ Nsọ. —Ndi Efesọs 2.18

Chineke bu ihu-n'anya; onye nānọgide kwa n'ihu-n'anya, nime Chineke ka ọ nānọgide, Chineke nānọgide kwa nime ya.

—1 Jọn 4.16b

Madu nile gēji nka mara na unu bu ndi nēso uzọm, ọ buru na unu enwerita ihu-n'anya n'ebe ibe-unu nọ. —Jọn 13.35

Ma nkpuru nke Mọ Nsọ bu ihu-n'anya, ọṅù, udo . . . .

—Ndi Galetia 5.22a

I gēme ka m'mara uzọ ndu: Ojuju-afọ ọṅù di n'iru Gi.

—Abù ọma 16.11a

Nweritanu obi-ọma n'aru ibe-unu, nwenu obi ọmiko, were-kwa-nu amara ḅaghara onwe-unu, dika Chineke were-kwa-ra amara ḅaghara unu nime Kraist.

—Ndi Efesọs 4.32

Ma mu onwem gāṅuri ọṅu nime Jehova, m'gēteghari egwú ọṅù nime Chineke nke nzọputam.

—Habakuk 3.18

Ya mere ebe aguru ayi na ndi ezi omume site n'okwukwe, ayi na Chineke di n'udo site n'aka Onye-nwe-ayi Jisọs Kraist.

—Ndi Rom 5.1

Udo ka M'rapuru unu; udo nkem ka M'nēnye unu: ọ bugh dika uwa nēnye ka Mu onwem nēnye unu. Ka obi-unu ghara ilọ miri, ka ọ ghara kwa itu ujọ.

—Jọn 14.27

Ma ọ buru na Mọ nke Onye ahu Nke mere ka Jisọs si na ndi nwuru anwu bilie nēbi nime unu, Onye ahu Nke mere ka Kraist Jisọs si na ndi nwuru anwu bilie gēsite kwa n'aka Mọ-Ya Nke nēbi nime unu me ka aru-unu nke puru inwu anwu di ndu. —Ndi Rom 8.11

Ma Chineke mere ka Onye-nwe-ayi si n'ọnwu bilie, O gēsite kwa n'ike-Ya me ka ayi onwe-ayi si n'ọnwu bilie. —1 Ndi Kọrint 6.14

N'ihi na nka bu ihe Nnam nācho, ka onye ọ bula nke nēle Ọkpara-Ya anya, nke nēkwere kwa na Ya, we nwe ndu ebigh-ebi; Mu onwem gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu.
—Jọn 6.40

N'ihi na ebe ọnwu sitere n'aka madu, nbilite-n'ọnwu nke ndi nwuru anwu site-kwa-ra n'aka madu. N'ihi na dika ọnwu diri madu nile nime Adam, ọ bu kwa otú a ka agēme ka madu nile di ndu nime Kraist ahu. Ma madu nile n'otù n'otù n'usoro nke aka ha: Kraist, dika nkpuru mbu; emesia ndi nke Kraist, n'ọbibia-Ya.
—1 Ndi Kọrint 15.21-23

Unu onwe-unu gādi kwa ndu, n'ihi na Mu onwem nādi ndu.
—Jọn 14.19b

Onye ọ bula nke juworo iwu Moses gānwu anwu nēmegh ya ebere n'okwu ndi-àmà abua maọbu atọ: ma àhuhu ahu jọkariri njọ ra aṅa, bú nke agāgu na onye ahu kwesiri ka enye ya, ka unu chère, bú onye nke zọworo Ọkpara Chineke ukwu, onye guwo-kwa-ra ọbara nke ọḅuḅa-ndu ahu, bú nke eji do ya nsọ, n'ihe emeruru emeru, onye mewo-kwa-ra Mọ nke amara ihe-ihere?

—Ndi-Hibru 10.28, 29

Onye nājum, nke nādigh-anara kwa okwum, ọ nwere onye nēkpe ya ikpé: okwu nke M'kwuru, okwu ahu gēkpe ya ikpé n'ubọchi ikpeazu. —Jọn 12.48

Ya mere M'siri unu, na unu gānwu na nmehie nile unu: n'ihi na ọ buru na unu ekwegh na Mu onwem bu Ya, unu gānwu na nmehie nile unu. —Jọn 8.24

Ma asim unu ndi-eyìm, Unu atula egwu ndi nēḅu aru, ma emesia ha enwegh ihe ọzọ kari nke ahu ha gēme. Ma M'gēgosi unu Onye unu gātu egwu: tuanu egwu Onye ahu, Nke nwere ike itubà n'ọku ala-mọ mḅe O ḅusiri; e, asim unu, Tuanu egwu Onye ahu.

—Luk 12.4, 5

Àyi onwe-ayi gēsi aṅa ḅanari, ma ọ buru na ayi lefuru oké nzọputa di otú a anya?

—Ndi-Hibru 2.3a

Ebe Ọ debeworo otù ubọchi, nke Ọ gēkpe elu-uwa dum madu bi ikpé n'ezi omume nime ya site n'aka otù Nwoke Ọ kara àkà; Ọ nye-kwa-ra madu nile ihe ha gēji kwere nka, ebe Ọ mere ka O si na ndi nwuru anwu bilie.
—Ọlu ndi-ozi 17.31

N'ihi na Nnam adigh-ekpe kwa madu ọ bula ikpé, kama Ọ werewo ikpé nile nye Ọkpara-Ya; ka madu nile we sọpuru Ọkpara ahu, dika ha nāsọpuru Nna-Ya.
—Jọn 5.22, 23a

N'ihi na aghagh ime ka ayi nile puta ìhè n'iru oche-ikpé Kraist; ka ayi nile n'otù n'otù we nāghachi . . . dika ihe onye ọ bula mere si di, ma ọ bu ezi ihe ma-ọbu ihe nādigh nma. —2 Ndi Kọrint 5.10

N'ubọchi ahu mḅe Chineke gēkpe ihe-nzuzo nile nke madu nile, . . . site n'aka Jisọs Kraist.
—Ndi Rom 2.16

Nime nkpughe nke Onye-nwe-ayi Jisọs site n'elu-igwe, Ya na ndi-mọ-ozi nke ike-Ya, nime ọku nēre ere, nābọ̀ ọ́bọ̀ n'aru ndi nāmatagh Chineke, ha na ndi nāṅagh nti ozi ọma nke Onye-nwe-ayi Jisọs. —2 Ndi Tesalọnaika 1.7b, 8

Otú ọ di, ndi-irom ndia, ndi nāchọgh ka m'buru eze-ha, kuta ha n'ebe a, ḅue ha n'irum. —Luk 19.27

# 42 ỌBUGH NDI NILE N’EKWUPUTA NA HA N’ESO UZỌ JISỌS BU NKE JISỌS

Ha nēkwuputa na ha matara Chineke; ma ọlu nile ha ka ha ji gọnari Ya. —Taitọs 1.16a

Ma ọ buru na onye ọ bula enwegh Mọ nke Kraist, onye ahu abugh nke Ya. —Ndi Rom 8.9b

Ha we . . . nọdu ala n’iru-gi dika ndim, ha nānu kwa okwu-gi nile, ma okwu-gi ndia ka ha nēmegh. —Ezikiel 33.31a

Ndi nka nāsọpurum n’eḇuḇere-ọnu-ha; ma obi-ha di anya n’ebe M’nọ. —Matiu 15.8

Ọ bugh onye ọ bula nke nāsim, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, gābà n’ala eze elu-igwe; kama ọ bu onye nēme ihe Nnam Nke bi n’elu-igwe nāchọ. Ọtutu madu gāsim n’ubọchi ahu, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, àyi ejigh aha-Gi bu amuma, àyi ejigh kwa aha-Gi chupu ndi-mọ ọjọ, àyi ejigh kwa aha-Gi lu ọtutu ọlu di ike? Ma mḇe ahu ka M’gēkwuputara ha, si, Ọ digh mḇe ọ bula M’mara unu: si n’ebe M’nọ pua, unu ndi nālu ọlu nēmebi iwu. —Matiu 7.21-23

Otú a unu onwe-unu nēgosi kwa onwe-unu nye madu n’ìhè dika ndi ezi omume, ma n’ime unu juputara n’iru-abua na ihe nēmebi iwu. —Matiu 23.28

Nime nka ka ayi ma-kwa-ra na ayi amawo Ya, ma ọ buru na ayi edebe ihe nile Ọ nyere n'iwu.

—1 Jọn 2.3

Mọ nkem ka M'gētiye nime unu, me ka ọ buru n'ukpurum nile ka unu gējeghari, ọ bu kwa ikpém nile ka unu gēdebe, me ha.

—Ezikiel 36.27

Ebe emesiri Ya ka O zue okè, Ọ we ghọrọ ndi nile nāṅa Ya nti Onye nēwetara ha nzọputa ebighebi.

—Ndi-Hibru 5.9

Ebe eme-kwa-ra ka unu pua na nmehie nwere onwe-unu, unu ghọrọ ndi-orù nke ezi omume.

—Ndi Rom 6.18

N'ihi na ayi bu ihe Ọ mere, ndi ekère èkè nime Kraist Jisọs ilu ezi ọlu, nke Chineke buru uzọ dozie ka ayi we jegharia nime ha.

—Ndi Efesọs 2.10

Ma ọ buru na Kraist nọ nime unu, aru-unu bu ihe nwuru anwu n'ihi nmehie n'ezie; ma Mọ Nsọ bu ndu n'ihi ezi omume. N'ihi na asi na unu nādi ndu dika anu-aru si chọ, unu gaje inwu; ma ọ buru na unu nēwere Mọ Nsọ me ka omume aru nwua, unu gādi ndu.

—Ndi Rom 8.10, 13

Ka onye ọ bula nke nākpọ aha Onye-nwe-ayi si n'ajọ omume wezuga onwe-ya.

—2 Timọti 2.19b

Ọ buru na uwa akpọ unu asì, unu mara na ọ kpọwo Mu onwem asì mḅe ọ kākpọgh unu asì. Ọ buru na unu sitere n'uwa, uwa gāhu ihe nke aka ya n'anya: ma n'ihi na unu esitegh n'uwa, kama Mu onwem rọputara unu nime uwa, n'ihi nka uwa nākpọ unu asì.
—Jọn 15.18, 19

E, oge hour nābia, ka ọ gābu na onye ọ bula nke gēḅu unu gēchè na ọ nējere Chineke ozi. Ihe ndia ka ha gēme kwa, n'ihi na ha amagh Nnam, ha amagh kwa Mu.
—Jọn 16.2b, 3

Lenu aha ihu-n'anya nka bu nke Nna-ayi nyeworo ayi, ka ewe kpọ ayi umu Chineke: ayi bu kwa umu-Ya. N'ihi nka uwa amagh ayi, n'ihi na ọ magh Ya. —1 Jọn 3.1

Na ayi aghagh isite n'ọtutu nkpaḅu ba n'ala-eze Chineke.
—Ọlu ndi-ozi 14.22b

E, agēsoḅu kwa ndi nile ndi nāchọ idi ndu n'uzọ isọpuru Chineke nime Kraist Jisọs.
—2 Timọti 3.12

N'uwa unu nēnwe nkpaḅu: ma nwenu obi-ike; Mu onwem emeriwo uwa. —Jọn 16.33b

Ngọzi nādiri unu, mḅe ọ bula madu gākpọ unu asì, mḅe ọ bula ha gēkewapu kwa unu, ta kwa unu uta, tufu kwa aha-unu dika ajọ ihe, n'ihi Nwa nke madu. —Luk 6.22

Nātukwasinu Ya nchebu nile unu nēchebu onwe-unu, n'ihi na ihe nile bayere unu nēmetu Ya n'obi. —1 Pita 5.7

Atula egwu, gi ka M'nọyere: elela anya buruburu n'ujọ, n'ihi na Mu onwem bu Chineke-gi: M'gāba gi ume; e, M'gēyere gi aka; e, M'gēji aka-nri nke ezi omumem kwagide gi. —Aisaia 41.10

N'ihi na nnam na nnem arapuwom, ma Jehova gēkubatam. —Abù ọma 27.10

Ya mere ayi were obi-ike si, Onye-nwe-ayi bu onye nēyerem aka; m'gagh-atu egwu: Gini ka madu gēmem? —Ndi-Hibru 13.6

Ọ buru na anāta unu uta n'aha Kraist, ngọzi nādiri unu; n'ihi na Mọ nke ebube na Mọ nke Chineke nānọgide n'aru unu. —1 Pita 4.14

N'ihi na ndi-mọ-ozi-Ya ka Ọ gēnye iwu bayere gi, idebe gi n'uzọ-gi nile. Ọzọ, asi na ejem ije na ndagwurugwu onyinyo ọnwu, m'gagh-atu egwu ihe ọjọ ọ bula; n'ihi na Gi onwe-gi nọyerem. —Abù ọma 91.11; 23.4a

Enwerem ike n'ihe nile nime Onye ahu Nke nēmem ka m'di ike. Ma Chinekem gēnyezu unu ihe nile ọ bula nākpa unu dika àkù-Ya n'ebube si di, nime Kraist Jisọs. —Ndi Filipai 4.13, 19

Ọ digh ọnwunwa ọ bula nwaworo unu ma-ọbugh nke madu nānagide: ma Chineke kwesiri ntukwasi-obi, Onye nāgagh-ekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwunwa ahu Ọ gēme kwa uzọ nḅapu, ka unu we nwe ike inagide ya. —1 Ndi Kọrint 10.13

Ya mere ka ayi were nkwuwaokwu biarue oche-eze amara, ka ewe mere ayi ebere, ka ayi we hu kwa amara iyere ayi aka n'oge nkpà. —Ndi-Hibru 4.16

Ma ọ buru na ayi ejeghari n'ìhè ahu, dika Ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu, ayi nēnwekọrita ihe n'etiti onwe-ayi, ọbara Jisọs, bú Ọkpara-Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile. —1 Jọn 1.7

Ma nāḅanari agu ihe ọjọ nāgu nwa-okorọbia, nāḅaso kwa ezi omume, okwukwe, ihu-n'anya, udo. —2 Timọti 2.22a

Otú a unu onwe-unu, nāgu-kwanu na unu onwe-unu bu ndi nwuru anwu n'ebe nmehie di, ma na unu nādi ndu nime Kraist Jisọs n'ebe Chineke nọ. —Ndi Rom 6.11

Ya mere donu onwe-unu n'okpuru Chineke; ma guzogidenu ekwensu, ọ gāḅapu kwa n'ebe unu nọ. —Jemes 4.7

N'obim ka m'zobeworo okwuọnu-Gi, ka m'we ghara imehie megide Gi. —Abù ọma 119.11

# EZI-GBO EKPERE BU NNWEKỌ NKE AYI NA CHINEKE

Gi ka obim siworo, Gi kwuru okwu, si, Chọnu irum; Iru-Gi, Jehova, ka m'gāchọ.

—Abù ọma 27.8

Tukwasinu Ya obi na mḅe nile, unu ndi-Ya; wusinu obi-unu n'iru Ya dika miri: Chineke buru ayi ebe-nḅabà. —Abù ọma 62.8

Zọputam, ewe zọputam: n'ihi na otutom ka I bu. —Jeremaia 17.14b

Nēkpenu ekpere nēwepugh aka; nēkelenu ekele n'ihe nile ọ bula: n'ihi na nka bu ihe Chineke nāchọ nime Kraist Jisọs n'ebe unu nọ.

—1 Ndi Tesalọnaika 5.17, 18

Ma ọ buru na amam-ihe fọduru onye ọ bula nime unu inwe, ya riọ n'aka Chineke, Onye nēnye madu nile n'afọ-ofufọ, nātagh kwa uta; agēwere kwa ya nye ya.—Jemes 1.5

Ọ buru na unu nānọgide nimem, ọ buru kwa na okwum nānọgide nime unu, riọnu ihe o bula unu nāchọ, agēme-kwa-ra unu ya.

—Jọn 15.7

Achọrọm Jehova, Ọ za-kwaram, we naputam n'ujọm nile.

—Abù ọma 34.4

Ọ buru na ọ bu ajọ ihe ka m'leworo anya nime obim, onye-nwe-ayi agagh-anu olum. N'ihi aha-Gi, Jehova, Ḅaghara ajọ omumem, n'ihi na o riri nne.

—Abù ọma 66.18; 25.11

N'ihi na Onye-nwe-ayi onwe-ya gēwere oké ikpọ-òkù, were olu isi-mọ-ozi, were kwa opì nke Chineke, si n'elu-igwe ridata: ndi nwuru nime Kraist gēbu kwa uzọ si n'ọnwu bilie: mḇe ahu ayi onwe-ayi, bú ndi nọ na ndu, ndi anārapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara-elu-igwe: otú a ka ayi na Onye-nwe-ayi gānọ kwa mḇe nile.
—1 Ndi Tesalọnaika 4.16, 17

Ya mere ndi m'huru n'anya, ebe ayi nwere nkwa ndia, ka ayi sachapu n'onwe-ayi nmeru nile nke aru na nke mọ, nēmezu idi-nsọ n'egwu Chineke. —2 Ndi Kọrint 7.1

Umu-ntakirim, nānọgide-kwa-nu nime Ya uḇu a; ka ọ gābu, ma ọ buru na agēme ka Ọ puta ìhè, ka ayi we nwe nkwuwa-okwu, ghara kwa iwere ihere pua n'iru Ya n'ọbibia-Ya. —1 Jọn 2.28

Unu onwe-unu, nātachi-kwa-nu ogologo-ntachi-obi; menu ka obi-unu guzosie ike: n'ihi na ọbibia nke Onye-nwe-ayi di nso. Umu-nnam, unu atamuritala megide onwe-unu, ka ewe ghara ikpe unu: le, Onye-ikpé-ayi nēguzo n'iru ọnu-uzọ. —Jemes 5.8, 9

Unu onwe-unu buru kwa ndi edoziworo: n'ihi na n'oge hour nke unu nēchègh ka Nwa nke madu gābia. —Luk 12.40

# BURU ONYE EMEJURU NA MỌ NKE CHINEKE

**Laghachinu n'iba-nbam: Le, m'gāwupuru unu mọm, m'gēme ka unu mara okwum nile.**
**—Ilu 1.23**

**Chègharianu, ka eme kwa unu nile baptism n'otù n'otù n'aha Jisọs Kraist ka ewe ḅaghara nmehie nile unu; unu gānata kwa onyinye a, bú Mọ Nsọ.—Ọlu ndi-ozi 2.38b**

**Unu aṅubiga-kwa-la manya ókè, nke ndu ila-n'iyì di nime ya, kama juputanu na Mọ Nsọ; nēwere abù ọma na ukwe na abù nke Mọ Nsọ gwarita onwe-unu okwu, nēwere obi-unu bù abù kpọ kwa ubọ nye Onye-nwe-ayi; nēkele kwa Chineke, bú Nna, ekele mḅe nile n'ihi ihe nile n'aha Onye-nwe-ayi Jisọs Kraist; nēdorita onwe-unu n'okpuru ibe-unu nime egwu Kraist. —Ndi Efesọs 5.18-21**

**N'ihi na ọ bu Chineke Onye nālusi ọlu ike nime unu ichọ-achọ-unu na ilusi-ọlu-ike-unu, n'ihi na ọ di Ya ezi nma. —Ndi Filipai 2.13**

**Ùnu amatagh na unu bu ulo nsọ Chineke, Mọ nke Chineke bi kwa nime unu? N'ihi na ewere ọnu-ahia ḅara unu: ya mere nyenu Chineke otuto n'aru-unu.**
**—1 Ndi Kọrint 3.16; 6.20**

Text reprinted from the Bible in Ibo by permission of United Bible Societies Africa Regional Centre, Nairobi, Kenya.

---

Published in numerous languages by World Missionary Press, Inc., as God supplies funds in answer to prayer. **For questions or more information by country, visit: www.wmp-contacts.org**

N'efù – Adịgh ere ya ere

World Missionary Press
PO Box 120
New Paris, IN 46553-0120 USA
www.wmpress.org

Read booklets online or by App
www.wmp-readonline.org

5-25

1535 Ibo HKG